# IJI OBICHỤỌÀJÀ NKE HANA

## (Iheọ̀mụ̀mụ̀ Nke Ụbọchị Ndị Nne)

### I Samuel 1:1-28

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 71 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Sọpuru nna-gi na nne-gi; nke bu ihe mbu enyere n'iwu nke nkwà diri ya" (Ndi Efesọs 6:2).**

**Anaenwe Ndị Fọdụrụ N'Oge Ọ bụla**

N'oge nke ndịikpé, tupu ndị Israel enwee eze, ka di na nwunye aha ha bụ Hana na Elkana biri ndụ ịsọpụrụ Chineke. N'igosi ịhụn'anya ha nwere n'ebe Jehova nọ ha na erubeisi n'iwu Ya ijé n'Ụlọukwuu Chineke arọ̀ niile iketa òkè n'ememe niile nke okpukpé ha. Ọnọdụ nke ụmụ Israel n'ihe nke mmụọ dị ala n'oge a, ma anyị na ahụ́ na Chineke naenwe mmadụ olenaole ndị kwesịrị ntụkwasịobi n'oge niile ifè Ya òfùfè, ọbụná n'oge nke gbara ọchịchịrị n'akụkọ nke chọọchị.

Hana chọrọ nwa nwoke, ma ọtụtụ arọ naagabiga o nwetaghị kwa nwa ọ bụla nke ọ gaahụ́n'anya maọbụ lekọta. Nke a mere ka obi ya dị ilu. Anaewere ya dịka ùgwù pụrụ iche ịbụ nne nke otù nwa nwoke.

**Mkwà Nke Hana**

Dịka oge naagabiga mwute ya naadị ukwuu karịa, ma n'otù ụbọchị mgbe ọ nọ n'ememe na Shailo, ọ gwara Chineke banyere iruuju ya. O nweghị obiụtọ ọ bụla nke mere na o righị ihe. Ọ matara na Chineke hụrụ ya n'anya na Ọ gaenyere ya aka mgbe ọ náadịghị onye ọzọ pụrụ ime ya obiụtọ. Ọ dịghị ekwuokwu n'olu dị elu mgbe ọ naekpere Chineke, n'ihi na Ọ pụrụ ịhụ̀ ekpere nke obi ya. N'oge ụfọdụ anyị, onweanyị kwa, naekpesi kwa ekpere ike rue na ọ dịghị okwu ọ bụla nke anyị nwere iji kọwa mkpà anyị. Ma Chineke naahụ́ ekpere niile ahụ na ijiobi chụọàjà niile nke anyị naeji "isu-udè anāpugh ikwu." Mmụọ nke Chineke naenyere anyị aka n'ekpere niile ahụ, anyị ewee nata ọ̀zízá.

Mgbe Hana na ekpe ekpere ọ gwara Chineke otú o si bụrụ onye náenweghị obiụtọ n'ihi na o nweghị ụmụ. O kwere Chineke mkwà na ọ bụrụ na Ọ gaenye ya náání otù nwa nwoke, na ya gaenyeghachị ya Chineke ụbọchị niile nke ndụ ya, na ọ dịghị kwa agụba gaemetụ n'isi ya. Ịrapụ agịrịisi ka o too bụ ụzọ nke mkwà onye Nazaret nke kewapụrụ onwe-ya n'ihi ọlụ pụrụ iche nye Chineke. Mkwà a pụrụ ịbụ nke otù izu, otù ọnwa, maọbụ kwa oge niile nke ndụ.

Mgbe Ilai, onyeisi nchụàjà ahụ, hụrụ egbugbereọnụ Hana ka ọ naemegharị ma anụghị olu ọ bụla, o chèrè na ọ ñụbigara manya ókè. O mere ka ọ mara na ọ bụ n'ihi mwute ya mere o ji kpemie ekpere nke mere náání egbugbereọnụ ya naemegharị ma ọ gwaghị ya ihe bụ̀ isi ekpere ya. Ilai matara na ọ ghọtahiere nwanyị ahụ, o wee mee ngwangwa ịkasị ya obi. O kpekwara ekpere, ka Chineke zaa ya ekpere ya ma ji kwa ọtụtụ ngọzi gọzie ya.

**Inwe Ọñụ site N'Okwukwe**

Hana nwere okwukwe na Chineke anụwo ekpere ya na Ọ gaenye ya ihe ahụ ọ chọrọ. Ọ doro ya anya nkeọma dịka ò nwetaworị nwa ahụ, n'ihi na Akwụkwọnsọ sịrị na o riri ihe, "iru-ya agbarugh kwa n'ihi ya ọzọ." Okwukwe ya emewo ya ka ọ ñụrịa ọñụ.

**Oge Ọ̀fùfè**

N'ụtụtụ nke náesoni mgbe Hana na di ya jikere ịlaghachị n'ụlọ, ha buru ụzọ wepụta oge kpeere Chineke. Anyị agaghị asị na anyị naeme ngwangwa ijé n'ọlụ anyị nke gaeme ka anyị ghara inwe oge ikele Chineke ekele n'ihi ọtụtụ ngọzị Ya wee rịọ maka odúdú Ya nime ụbọchị ahụ; ma anyị gaeleba anya nime Okwu Ya ịhụ̀ ihe bụ́ uche Ya banyere anyị. Eleghịanya O nwere ngọzi pụrụ iche maọbụ mkwà dịrị anyị n'ụbọchị ahụ, anyị ewee tufue ya site n'ilefuru ịgụ Baịbụl anya. Ị mata ihe bụ uche Chineke dị anyị mkpà karịa ihe ọzọ dị ná akụkụ ọ bụla nke ndụ anyị. Ọ bụrụ na anyị elefuru Okwu Chineke anya, anyị naetufu ihe nchebe anyị nwere megide onyeiro nke obi anyị.

**Hana Naecheta**

Hana ejiworị obi ya chụara Chineke àjà, ma kwere kwa na Ọ zawo ekpere ya; ma na mgbe náadịghị anya amụrụ Samuel iji kwụghachị okwukwe ya ụgwọ. O chefughị mkwà ahụ o kwere inyeghachi ya Chineke ka ọ lụọọlụ nime Ụlọukwuu ahụ ụbọchị niile nke ndụ ya. Ọ hụrụ nwa ya n'anya nke ukwuu, ọ gaadịwo yarị mfé ikwu na Chineke enyewo ya nwa ahụ iji mee ka obi tọọ ya ụtọ ma eleghịanya na Ọ gaghị achọ kwa ka o kute nwa ahụ n'ụlọ Chineke ịnọgide mgbe niile. O chetara mkwà o kwere Chineke; ma mgbe Samuel toruru ka ekewapụ ya n'ebe nne ya nọ, ọ kpọgaara ya Ilai, onyeisi nchụàjà, ka o jee ozi ọ bụla o nwereike ijé. Samuel bụ onyinye ya dị óké ọnụahịa nke o nyere Onyenweanyị.

**Akwụghachiri Ụgwọ maka Ịchụàjà Ahụ**

Chineke sọpụrụ àjà ahụ nke Hana chụrụ wee nye kwa ya ụmụ nwoke atọ ọzọ na ụmụ nwayị abụọ ime ka èzínaụlọ ya nwee ọñụ. Chineke na akwụghachị àjà niile ọ bụla nke ụmụ Ya naachụ, ma kwee kwa mkwà dị ukwuu nye ndị ahụ ná eburu ụzọ chọọ Alaeze nke Chineke na eziomume Ya.

Hana échèfughị ọlụ dịrị ya nye Samuel dịka nne, kama ọ naeje shailo kwa arọ náewegara ya uwe ukwuu bụ́ nke ọ kwaara ya.

**Otù Nwata Gaedú Ha**

Samuel lụrụọlụ nime Ụlọukwuu Chineke n'ikwesị ntụkwasịobi site na mgbe ọ bụ nwata. Ụfọdụ mmadụ kwere na ụmụntakịrị gaetolite tupu akụziere ha ihe ọ bụla banyere okpukpé. Ha chèrè na ụmụntakịrị agaghị aghọta ihe niile banyere Chineke. Ma obi eziokwu niile nke ụmụntakịrị, naadị mfé ọtụtụ mgbe ijigide eziokwu niile ahụ dịnsọ ngwangwa karịa obi ndịokenye emebiriemebi, nke nọ kwa na ọgbaaghara. Anyị naahụ́ ọtụtụ ụmụntà ndị hụrụ Jisọs n'anya site na mgbe ha malitere ikwuokwu, ma ụfọdụ ka anaazọpụta n'ezie mgbe ha dị náání arọ anọ maọbụ ise. Site n'inye Jisọs obi ha mgbe ha bụ ụmụokoro ha ewee gbanarị nsogbu na iriuju nke mmehie naeweta.

**Otù Onye Nke Chineke Dị Ukwuu**

Anyị mụrụ na Samuel tolitere wee bụrụ onye nke Chineke dị ebube. N'ịtụkwasị na ọ bụ onye nchụàjà n'Ụlọukwuu Chineke, ọ bụ onyeikpé azụ̀ nime ndịikpé onye chịrịisi na gọvment nke ndị nkịtị n'Israel. Chee uche ụdị obiụtọ Hana gaenweworị ịhụ́ nwa ya n'ọkwà dị elu n'ihe nke mmụọ na ịdị elu n'ọchịchị nke ụmụmmadụ! N'ụzọ dị otú a ka eji akwụghachị ya ụgwọ nke ijiobi chụọàjà ya n'ebe Chineke nọ site ná ndụ ịtụegwù Chineke nke nwa mbụ ya.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ebe Hana na Elkana na aga kwa arọ? N'ihi gịnị?
2. Gịnị mere Hana enweghị obiụtọ?
3. Ònye ka Hana gwara banyere mwute ya?
4. Gịnị ka Ilai mere mgbe ọ ghọtara ihe náewute Hana?
5. Hana ò kwere na Chineke n'oge ahụ? Òlee otú anyị si mata?
6. Gịnị ka Hana kwere mkwà ime ma ọ bụrụ na o nweta nwa nwoke?
7. Ò debere mkwà ya?
8. Gịnị bụ ụgwọọlụ akwụghachịrị ya?